Chineke Kpọrọ Mmegbu Asị

Ihe ị ga-eme: Nọrọ n'ebe ụzụ na-adịghị mee ihe omume a. Mgbe ị na-agụ amaokwu ndị a, were ya na e nwere ebe ị nọ na-ekiri ka ihe ndị ị na-agụ na-eme. Werekwa ya na ị na-anụ ihe ndị ị na-agụ akụkọ ha na-ekwu. Gbaḷịa ka ị ghọta otú obi dị ha. Ka ihe ị na-agụ yie gị ka ọ na-eme eme ugbu a.

Ndị a kọrọ akụkọ ha: Ehab, Jezibel, Nebọt, na Ịlaija

Ihe a kọrọ: Jezibel mere ka Eze Ehab gbuo mmadụ ka Ehab wee nweta ubi vaịn.

❶ *CHEBARA OTÚ IHE NDỊ A SI MEE ECHICHE.—GỤỌ 1 NDỊ EZE 21:1-26.*

Olee otú i chere ndị a a kọrọ akụkọ ha dị?

Ehab_____

Jezibel_____

Nebọt_____

Ịlaija_____

Olee ụdị olu i chere Jezibel na Ehab ji kwuo okwu n'amaokwu nke 5 ruo nke 7?_____

Kọọ otú i chere ihe e kwuru n'amaokwu nke 13 si mee._____

Olee ụdị olu i chere Ehab na Ịlaija ji kwuo okwu n'amaokwu nke 20 ruo nke 26?_____

❷ *LEBAKWUO YA ANYA.*

Olee ụdị àgwà Jezibel nwere bụ́ nke anyị nwere ike ịhụ n'ihe e kwuru n'amaokwu nke 7 na nke 25?_____

Olee ụdị àgwà Ehab nwere bụ́ nke anyị nwere ike ịhụ n'ihe e kwuru n'amaokwu nke 4?_____

Olee ndị ọzọ Ehab gburu ka o nwee ike inweta ubi vaịn Nebọt? (Gụọ 2 Ndị Eze 9: 24-26.)_____

N'anya Jehova, olee ụdị mmadụ Ehab bụ? (*Gụgharịa amaokwu nke 25 na nke 26.* Gụọkwa 1 Ndị Eze 16:30-33.)_____

3 *MEE IHE Ị MỤTARA. DEE IHE Ị MỤTARA BANYERE . . .*

Ihe gosiri na Jehova na-ahụ otú ndị mmadụ si emegbu ibe ha.

Ihe gosiri na mmegbu a na-emegbu ndị mmadụ na-ewute Jehova.

Otú Jehova si egosi na ya bụ onye na-ekpe ikpe ziri ezi. (Gụọ Diuterọnọmi 32:4.)

4 *ỤZỌ NDỊ ỌZỌ Ị GA-ESI MEE IHE Ị MỤTARA.*

Olee otú ụfọdụ ndị taa nwere ike isi na-akpa àgwà ka Jezibel? (Gụọ Mkpughe 2:18-21.)

Olee mgbe o nwere ike ịdị mkpa ka i nwee obi ike ka Ịlaịja?

Gịnị ka i kwesịrị iburu n'obi mgbe mmadụ megburu gị ma ọ bụkwanụ mgbe ị hụrụ ka a na-emegbu ndị ọzọ?

5 *OLEE IHE KACHA BAARA GỊ URU N'AKỤKỌ A? GỊNỊKWA MERE O JI BAARA GỊ URU?*

Aro anyị na-atụrụ gị: Kọọ ihe ị gụtara n'isiokwu a ka à ga-asị na ị na-akọ akụkọ ụwa. Were ya na ị gbara ndị a kọrọ akụkọ ha na ndị nọ mgbe ihe ndị a mere ajụjụ ọnụ, deekwa ihe ha kwuru.

www.jw.org © 2012 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania